# AGWARA NJIKỌ AKỤKỤ AHỤ NA NGWAA N'IGBO

**Grace Ngozi Amajoyi**
Imo State College of Education,
Email:ngmajoy@gmail.com

**Ụmị edemede**
Akụkụ ahụ mmadụ bụ ihe ndị na-egosi onwe ha n'elu ahụ mmadụ nakwa n'ime ahụ mmadụ dị ka ọdịdị chi onye ahụ siri dị. Akụkụ ahụ dị nnukwu mkpa na ndụ mmadụ. Ọ bụ mpaghara dị iche iche dị n'ahụ mmadụ, nke e ji emepụta ihe ma ọ bụ egbo mkpa. Ya na ngwaa na-agakọrịta n'asụsụ Igbo. Ngwaa n'onwe ya bụ nkejiasụsụ na-ezipụta mmem isi ahịrị n'ahịrịokwu. Ọ bụkwa ngwaa na-ezipụta omume ma ọ bụ ọdịdị ihe a na-ekwu maka ya n'ahịrịokwu. Ebumnuuche nchọcha a bụ ịchọpụta akụkụ ahụ mmadụ dị iche iche na ngwaa ha họọrọ, iji mata ihe jikọrọ ha, ihe kpatara ha ji agakọrịta n'asụsụ Igbo. Nchọcha a na-achọkwa ịmata ihe akụkụ ahụ mmadụ na-eme na ihe a na-eme akụkụ ahụ mmadụ. Ọ bụ ebumnuche abụọ a kpalitere mmụọ nwa nchọcha ịbagide nchọcha a n'isiokwu a bụ "Agwara Njikọ Akụkụ Ahụ Mmadụ Na Ngwaa N'Igbo". Usoro nwa nchọcha na-agbaso n'ime nchọcha a bụ Usoro Nkọwa. Atụtụ na-agbazi ụzọ e si eme nchọcha a bụ Atụtụ Mkpụrụ Echiche Ndịnokwu (Theory of Componential Analysis). Nchọpụta nchọcha a na-egosi na akụkụ ahụ ọ bụla nwere mkpụrụ echiche ga-adịrịrị na ya tupu a kọwata ya. Nchọpụta ọzọ na-egosi na ọ bụ mkpụrụ echiche ndị a mejupụtara echiche akụkụ ahụ mmadụ. Etu a kwa ka o si emetụta akụkụ ngwaa. A chọpụtakwara na tupu ngwaa na akụkụ ahụ mmadụ agakọrịta, ha ga-enwekọrịtarịrị ụfọdụ mkpụrụ echiche. Akụkụ ahụ mmadụ na ngwaa na-agakọrịta oge ha nwekọrọ agwara ọnụ. Nchọcha a ga-abara ndị odee, ụmụ akwụkwọ, ndị ọka asụsụ na ndị nkuzi na-akụzi Igbo uru. Ọ ga-abakwara asụsụ Igbo uru.

## 1.0 Isi Nke Mbụ

### 1.1 Okwu Mmalite

Nchọcha a hiwere isi n'"Agwara Njikọ Akụkụ Ahụ Mmadụ Na Ngwaa N'Igbo". Akụkụ ahụ mmadụ metụtara mpaghara ahụ mmadụ niile. Ahụ mmadụ a ka e kebiri akụkụ ya ụzọ abụọ: ndị dị n'elu ahụ na ndị dị n'ime ahụ. Akụkụ ahụ niile ndị a bara uru nke ukwuu, ma na-arụ ọrụ dị iche iche. Akụkụ ahụ mmadụ a nwere ihe a na-eme ya, nwekwaa nke akụkụ ahụ mmadụ na-eme.

Ọ bụ ọnọdụ dị etu a ka ebumnuuche nchọcha a jiri bụrụ ịchọpụta akụkụ ahụ mmadụ dị iche iche na ngwaa ha na-ahọrọ iji mee ka ụtọasụsụ Igbo daba adaba. Nwa nchọcha na-achọkwa ịchọpụta ihe mere ha ji agakọrịta ọnụ n'asụsụ Igbo. A na-achọkwa ịchọpụta ihe akụkụ ahụ mmadụ na-eme nakwa ihe a na-eme akụkụ ahụ mmadụ. Usoro nwa nchọcha ji eme nchọcha a bụ usoro nkọwa. Atụtụ na-enyere ya aka n'ime nchọcha a bụ Atụtụ Mkpụrụ Echiche Ndịnokwu (Theory of Componential Analysis).

## 2.0 Ntụleghari Agụmagụ

Dị ka Emenanjọ (2006:105) siri mee nchọcha ya, nke a gosiri na e wezụga okwu mmadụ na-ekwu, ahụ mmadụ na mpaghara akụkụ ahụ bụ nnụ kwụrụ nnụ nsinebe ozi ndị e depụtaghị edepụta. Na nkọwapụta, nke a na-egosi na ọnọdụ ndị a nwere ike iru narị puku asaa nke nwere echiche nke onwe ha, ndị dabeere n'omenala. Emenanjọ kewapụtara ụdị asụsụ ahụ ise, ha bụ:

### 2.1 Akara Mmado

Ndị a bụ ụzọ dị iche iche e si eji akụkụ ahụ atụgharị ụfọdụ okwu ma ọ bụ nkeji okwu dị iche iche. Ha bụ ndị a: akara mkpịsị v nke gosipụtara mmeri ma ọ bụ akara mmeri, akara mkpịsị nke ọ dị mma na nke iruli isi mkpụrụ aka elu, nke pụtara ọkacha mma. Akara mmado nwere ike ịbụ nke nnọrọonwe ma ọ bụ mmegharị ahụ, ọmụma atụ, dị ka mmadụ iji isi mkpụrụ aka ya na-ese okirikiri n'otu mpaghara akụkụ isi ya. Nke a gosipụtara na isi adịghị onye ahụ mma (ara na-agba onye ahụ) ma ọ bụ ime ka iji aka gị na-akwapụ ihe n'ihu gị nke pụtara gawa n'ihu. A kpachapụrụ anya ma dịkwa nkwadobe iji asụsụ ahụ ndị a na-enye echiche zuru oke nke okwu na nkejiokwu na-egosipụta.

### 2.2 Akara Nzigozi

Akara nzigozi ndị a ka a na-eji akụkụ ahụ dị iche iche egosi, n'ezie ọ na-akwalite ozi nkwurunọnụ. Akara ndị a na-abịakọta ọnụ ma na-esochikwa okwu. Akụkụ ahụ mmadụ niile nwere ike ịbụ akara nzigozi dị ka aka, isi na ndị ọzọ. Mmadụ nwere ike iji mkpịsị aka ya were gosipụta ihe ndị dị obere ma ọ bụ ihe pere mpe, nwekwaa ike were aka abụọ gosi ihe dị okirikiri. Mmadụ nwere ike iji aka nri ma ọ bụ aka ekpe were gosipụta ebe ihe dị ma ọ bụ ihe dị aṅaa.

### 2.3 Akara Mmetụta

Akara mmetụta gụnyere mmegharị nke ihu, aka na akụkụ ahụ mmadụ niile ndị e ji ezikọrịta ozi ma gosipụta otu obi dị ha ma ọ bụ mmetụta ha nwere nke zipụtara afọ ojuju, obi ọma site n'ịchị ọchị, igosi iwe, ntumuche, ume iru ala, ụjọ, ihe mgbagwoju anya na ịchị obi n'aka n'otu akụkụ ebe obi ọma na afọ ojuju dị n'akụkụ nke ọzọ. Ọtụtụ ndị mmadụ na-egosipụta omenala ha site n'isi ụzọ dị iche iche ezipụta mmetụta ha. O nwere ike bụrụ na iwe na-ewe mmadụ abụọ, mana ha ga-esi ụzọ dị iche iche were gosipụta iwe ha. Otu n'ime ha nwere ike fụọ ihu ya akpụ ebe onye nke ọzọ nwere ike iji ịgba nkịtị were gosipụta iwe ya ma ọ bụ e nweghị afọ ojuju. Ya mere, egosipụtaghị ọtụtụ akara apụtaghị na mmadụ enweghị mmetụta.

### 2.4 Akara Njikwa

Nke a bụ otu n'ime akara nzikọrịta ozi asụsụ nke a na-eji achịkwa, ahazi, elekwa ma ọ bụ emezi okwu ka ọ na-aga were were oge a na-akpa ụbụbọ. Akara ndị a na-abịakarị n'ụdị iji aka ma ọ bụ isi na ihu egosipụta ha. Oge ọ bụla a na-ekwu okwu ọsịịsọ ma ọ bụ nwayọọ, e nwere ike ịsị onye ahụ mechie ọnụ site n'iji aka, mkpịsị aka, isi nakwa iji mmegharị ahụ ma ọ bụ asụsụ ahụ were gosipụta nke a. Oge a na-akparịta ụbụbọ, a na-eji akara njikwa egosipụta onye ga-ekwu mgbe ọ ga-ekwu. Ndị mmadụ na-eji anya e lere ele, a rọrọ arọ na ikwe n'isi ma ọ bụ imegharị isi were na-achịkọta mkparịta ụbụbọ ha (Ekman and Friesen, 1969:49).

### 2.5 Akara Nnọzi ma ọ bụ Nnọkwata

Akara nnọzi bụ otu n'ime nzikọrịta ozi asụsụ ahụ nke mmadụ na-enweta oge ọ dị na nwata, nke o ji egosipụta mmetụta ma ọ bụ mkpa ndị a hụrụ anya o nwere. Oge ụfọdụ, ndị mmadụ na-akọ ọkọ n'ahụ ha iji gboo mkpa anụ ahụ ma ọ bụ nweta onwe ha. Ụmụ nwaanyị ndị nwere ntutu wụdara awụda ma tokwa ogologo nwere ike ịchịgharị ntutu ha nke na-achọ ịdabanye ha n'anya. Ha nwekwara ike ifegharị isi ha ka ha wepụ ntutu ndị a. N'ụlọ akwụkwọ, e nwere ike ịchọpụta ụmụ akwụkwọ ndị ike gwụrụ na ndị obi erughị ala oge ha bidoro tawa ma ọ bụ tụbisiwe mbọ aka ha, tawa mkpịsị odee ha ma ọ bụ na-akụ mkpịsị odee ha n'elu oche.

Kenechukwu (2012:349) dere na asụsụ ahụ bụ otu n'ime ụzọ e si egosipụta nzikọrịta ozi abụghị nkwurunọnụ, ya na nke akara ahụ na mmekọrịta ndị ọzọ a na-ahụ anya ndị nwere ike ibute ozi nwere echiche zuru oke. Asụsụ ahụ gụnyere akara ahụ na ọnọdụ

dị iche iche. Ihe niile ndị a karịrị ihe ndị mmadụ na-eche ma ọ bụ na-ekwu banyere akụkụ ahụ dị iche iche. Oge ụfọdụ, ndị mmadụ na-eche na ihe gbasara akụkụ ahụ bụ sọọsọ ihe na-eme site n'olu were gbadawa ala. Mana ihe ndị mmadụ na-eche abụghị eziokwu, nke bụ eziokwu bụ na ọtụtụ ihe gbasara akụkụ ahụ sitere n'olu mmadụ were gbagowe elu.

Ụfọdụ akara ndị e ji ahụ egosipụta dị mmaji kwụrụ mmaji ma nwee echiche miri emi nke zuru mba ụwa niile ọnụ. Ọtụtụ akara ndị a bụ nsinachi. Ndị ọzọ bụ ndị a mụtara site n'aka ndị ọha obodo na omenala. N'eziokwu, ịchị ọchị bụ ịchị ọchị n'ụwa niile mana ụzọ e si egosipụta iwe bụ nke dịtụ iche, a na-eme nke a site n'ibutu egbugbere ọnụ ala. Ịpachigodo aka ọnụ na-egosipụta ntachi obi mana mgbasapụ ọbọ aka bụ nke eziokwu ma ọ bụ nke okwu kwụrụ ọtọ, nzikọrịta ozi ha bụ otu ihe n'ala Naịjịrịa niile. Otu a ka ọ dịkwa na mba Amerịka na Finland (Ukozor, 2012:146).

## 2.6 Nkọwa Okwu Ndị Gbara Ọkpụrụkpụ

Ebe a ka nwa nchọcha na-akọwa okwu ndị sere elu na nchọcha a.

### 2.6.1 Akụkụ Ahụ

Akụkụ ahụ dị nnukwu mkpa na ndụ mmadụ. E kejiri akụkụ ahụ ụzọ abụọ pụtara ihe. Ha bụ akụkụ ndị a na-ahụ anya ma ọ bụ ndị dị n'elu ahụ na akụkụ ndị dị n'ime ahụ. Akụkụ ndị dị n'ime ahụ bụ ndị anaghị ahụ anya. Anụ ma ọ bụ uru ahụ mechiri ha emechi. Ha na-arụ ọrụ dị iche iche n'ahụ. A naghị akọkwa ma ọ bụ kọwaghara ihe banyere akụkụ ahụ mmadụ na ndụ. Mmadụ nwere akụkụ ahụ dị iche iche Chukwu jiri chọọ ya mma. Akụkụ ahụ ndị a gụnyere: isi, imi, anya, ihu, ntị, eze, ọnụ, ire, aka, afọ, ukwu, ụkwụ, azụ, dg. Mmadụ na-eji akụkụ ahụ niile ndị a emepụta ihe dị iche iche ma ọ bụ egbo mkpa metụtara ya n'otu n'otu. Site n'akụkụ ahụ mmadụ na mmejupụtara ya, ha na-ezipụta ọrụ na uru ụtọasụsụ bara n'asụsụ niile. Ọ na-arụtụkwa aka n'ụzọ dị iche iche e ji esite n'akụkụ ahụ egosipụta mmekọrịta mmadụ na ibe ya. Akụkụ ahụ bụ isi sekpụ ntị tinyekwara emereme na ahụmihe dị iche iche na ndụ mmadụ.

Dimebo na Nna (2019) kọwara na akụkụ ahụ mmadụ bụ ihe ndị ahụ a na-ahụta n'elu nakwa n'ime ahụ mmadụ dị ka ọdịdịchi ya siri dị. A ga-achọpụta ụzọ ndị ọzọ ha si arụ ọrụ n'asụsụ iji gosipụta echiche ma ọ bụ nghọta okwu. Site na nkọwa a, ọ pụtara ihe na akụkụ ahụ mmadụ dị n'ahụ mmadụ. Mgbe ọ bụla a na-agbado ụkwụ na ya were ewube ma ọ bụ agbatị okwu, o gosiri na ọ na-apụta ihe na mmebe okwu asụsụ ahụ dị ka a chọpụtara n'asụsụ Igbo. Akụkụ ndị dị n'ime dị ọtụtụ. Ha bụ: eriri afọ, akpakwuru (afọ), ehe, mkpụrụ obi, ọbara, imeju, nkọlọ, dg.

### 2.6.2 Ngwaa

Ngwaa bụ mkpụrụokwu na-ekwu maka ihe banyere mkpọaha ma ọ bụ nnọchiaha. Ọ na-ezipụta echiche dị n'ahịrịokwu, n'ihi nke a, ahịrịokwu ọ bụla ga-enwerịrị ngwaa. Ọ bụ n'isingwaa ka a na-agbakwụnyere nganiihu ma ọ bụ nsonaazụ iji mepụta ngwaa zuru oke nke a na-akpọ ogwe ngwaa. Ọ bụkwa n'isingwaa a gbakwụnyere nganiihu ka e si enweta mmekangwaa, mfinitivu, jerọndụ, dg. Emenanjọ (1991:78) kọwara ngwaa dị ka nkejiasụsụ kachasịrị ndị ọzọ mkpa n'Igbo n'ihi na ọ bụrụ na e nweghị ya, e nweghị ike inwe ahịrịokwu zuru oke. E si na ngwaa enweta okwu ọhụrụ. Ọ bụ ya na-ezipụta omume ma ọ bụ ọdịdị ihe a na-ekwu maka ya n'ahịrịokwu. Okwu ọhụrụ ndị e si na ngwaa nweta ka a na-akpọ nsinangwaa. Otu njirimara ngwaa dị oke mkpa bụ na ọ bụ naanị ngwaa ka mgbakwụnye na-eso.

Ezeụmụdo (1985:71) mere ka a mata na ngwaa bụ okwu na-enye nghọta n'ahịrịokwu. Ahịrịokwu ngwaa adịghị na ya enweghị ike ịkwụrụ onwe ya. Ọ ga-enweriri ahịrịokwu zuru ezu ọ dabenyere na ya wee kwụrụ ma ọ bụ nwee ahịrịokwu e bu n'uche mgbe e kwuru okwu dị etu a. Mgbemena (2009:38) n'otu aka ahụ kọwara ngwaa dị ka mkpụrụokwu ahụ dị n'ahịrịokwu, nke na-ezipụta ihe gbasara isiahịrị mmem ya (ya bụ ihe o mere, ihe ọ na-eme na ihe ọ ga-eme), ọnọdụ ya, ọdịdị ya dg.

Umeh, Ugoji na Dike (1989:74) na ntinye nke ha mere ka a mata na ngwaa bụ nkejiasụsụ na-ezipụta aspeekịtị ndịnịhu, ndịnazụ na ndịnamecha na tensị ahịrịokwu. Ọ bụ ngwaa na-akọwapụta kpọmkwem, ihe onye na-ekwu okwu bu n'uche. Ọ bụ ya na-abụ isi nkebiahịrị kengwaa na-ezipụtakwa usoro nnara n'ahịrịokwu.

## 2.7 Ntụleghari Atụtụ

Nwa nchọcha ga-atụleghari atụtụ mkpụrụ echiche ndịnokwu maka ọrụ a.

### 2.7.1 Atụtụ Mkpụrụ Echiche Ndịnokwu

Atụtụ mkpụrụ echiche ndịnokwu bụ otu n'ime ọkpụrụkpụ ụzọ e si amụ ma na-atụcha amụmechiche. Onye tọrọ ntọala atụtụ a bụ nwoke a na-akpọ Katz (1972). Onye ọzọ gbakwara ezigbo mbọ ịkwalite atụtụ a bụ nwamadị a na-akpọ Benjamin Lee Whorf. Ọ bụ onye mba Amerịka gụrụ lingwistiiki ntọrọpọlọji. N'ihi nke a, ọ bụzi mmadụ abụọ a bụ Katz na Whorf chọpụtara atụtụ mkpụrụ echiche ndịnokwu, nke metụtara ụtọasụsụ mgbanwe na ntọrọpọlọji n'otu n'otu (Ottenheimer, 2006).

### 2.7.2 Nkwenye Atụtụ

Nkwenye atụtụ mkpụrụ echiche ndịnokwu pụtara ìhè na Saeed (2003:248) dị n'ime Ifeagwazi (2016:155). Nkwenye ndị ahụ gụnyere:

- Ndịna amụmechiche nwere okwu ma ọ bụ asụsụ ọzọ ndị e webatara n'ime ya. Ọ bụ sọọsọ site n'ịmata ndịna ndị a ka a ga-esi nweta ọdịdị mkpụrụ asụsụ na nke usorookwu.
- Ndịna amụmechiche soro mewe nka ewumewu nke ime mmụọ. Usoro a na-ezipụta ụzọ bụ ịgba e si atụle ma ọ bụ enyocha ndokọ ihe.
- Na nkwenye nke Katz (1972), e kewara atụtụ a ụzọ abụọ; ha bụ: izipụta etu e siri kerie okwu ka o nweta nghọta ndịna zuru oke, nke mejupụtara echiche okwu ahụ. Ebe nke abụọ bụ igosipụta na e nwere ike ijikọta ndịna amụmechiche n'ụzọ dị iche iche nakwa n'asụsụ dị iche iche. Otu o sila dị, a ga-ahụtakwa usoro a dị ka otu ndịna nke akpa okwu asụsụ niile. Ọzọkwa echiche ihe dị n'ime lezim kendeba mejupụtara okwu ahụ (Anagbogu, Mbah na Eme, 2010).
- Emenanjo gakwara n'ihu rụtụ aka na nkwenye atụtụ a, n'ihi na atụtụ anaghị anabata ndịiche agwara amụmechiche abụọ abụghị otu n'izipụta echiche okwu. Igbaso ụkpụrụ a bụ ịda iwu usoro akara atụtụ a. Ịma atụ: Ngosipụta echiche okwu a bụ nwaanyị: (+MMADỤ, - OKE, + OKENYE, - OKENYE) Nsogbu dị n'ụdị nkọwa a bụ na ọ na-ebute ihe mgbagwoju anya; n'ihi na site n'ụdị usoro nkọwa a, nwaanyị enweela agwara ndịiche abụọ nke bụ: (+OKENYE, - OKENYE) n'otu oge.

Atụtụ mkpụrụ echiche ndịnokwu nwere ụzọ dị iche iche e si etinye ya n'ọrụ. Na ntinye nke Ndịmele (1999:24), a na-esite n'usoro atụtụ a enweta echiche okwu dị iche iche e siri gwakọ uche okwu ndị ahụ. E nwere ike izipụta echiche nwoke dị ka: MMADỤ, OKE, OKENYE. Atụtụ a na-egosipụtannọọ ihe niile banyere echiche okwu site n'iwedata mmewere ndịiche ha. A na-enweta ndịiche n'okwu a, nke adịghị n'okwu ndị ọzọ dị n'otu asụsụ ahụ.

Ndị ọkammụta mara amụma atụtụ a, chere na nnyocha echiche okwu ga-aka mma ka ọ bụrụ usoro ikeri uche okwu n'ụzọ ọ ga-esi nwee ndịna uche pekarịsịrị mpe. Crystal (1997:77) kọwara ndịna uche dị ka … agwara enweghị ụzọ e si ewebilata ya nke na a ga-enwe ike inyocha echiche okwu ndị ahụ. Ọmụma atụ: E nwere ike ịtụcha nwata nwaanyị ka o nwee ndịna ndị a: MMADỤ, NWUNYE, NWATA, dg. Otu o sila dị, a na-enweta echiche okwu site n'izipụta usoro ngwakọ amụmechiche okwu dị oke mkpa.

A na-ahazi agwara amụmechiche ma ọ bụ uche ndịna ka o nwee ọpụrụiche ndịnaabọ dị ka (o nwere ike inwe akara ntinye (+) ma ọ bụ akara mwepụ (-), nkena ọnọdụ otu akara amụmechiche na-egosi na akara nke ọzọ adịghị ya. Iji maa atụ: nwoke/nwaanyị, nwata nwoke/nwata nwaanyị, egbene/nne atụrụ, oke ọkụkọ/nnekwu ọkụkọ, oke ọbọgwụ/nne ọbọgwụ, oke ehi/ nne ehi, oke ịnyịnya/nne ịnyịnya, oke ezi/nne ezi dg. A na-ekwupụta ihe niile ndị a n'ụdị +oke) na -oke. E nwekwara ike ịchọpụta ndịiche dị n'etiti nwoke/nwata nwoke, nwaanyị/nwata nwaanyị, ologbo/nwa ologbo, obogwụ/nwa ọbọgwụ, nne ehi/nwa ehi, nne inyinya/nwa ịnyịnya, nnekwu ọkụkọ/nwa ọkụkọ, atụrụ/nwa atụrụ dg. A haziri ya n'usoro [+okenye] na [-okenye].

### 2.7.3 Uru Atụtụ Mkpụrụ Echiche Ndịnokwu

- Atụtụ a na-ekpughe agwara omenala ụfọdụ dị mkpa. Okwuu asụsụ ahụ na-ezipụta ndịiche mkpụrụokwu n'ihe ọmụmụ amụmechiche.
- Ọ na-egosi ndimkpa usoro ọmụmụ asụsụ ọzọ na ịghọta kpọmkwem amụmechiche ha. Ọ bụ ihe ọmụmụ sayensị na-akọwa omenala ndị mmadụ na ọha obodo.
- E nwere ike ịkọwa echiche ihe, mmekọrịta echiche ihe site n'ịgbaso usoro mkpụrụ echiche ndịnokwu (dị ka entelment, haịponi, kọntradishọn) na akparamagwa ụtọasụsụ nke mkpụrụokwu.
- Mkpụrụ echiche ndịnokwu bụnnọọ ihe bara uru n'ịkọwa mkpụrụokwu ndị dabere n'ọyọ mkpụrụokwu mkpachi dị ka akpaokwu, maka mmetụta nsinachi, osisi, anụmanụ dg.
- Ọ bakwara ezigbo uru n'ịkọwa mkpụrụasụsụ ụtọasụsụ na mkpụrụokwu (ọmụma atụ Nnọchiaha) nke mejupụtara otu ndị kpachiri akpachi n'asụsụ.

### 2.7.4 Iri Mperi Atụtụ Mkpụrụ Echiche Ndịnokwu

- Usoro nchọpụta agwara amụmechiche bụ nke edochaghị anya.
- Sọọsọ ụfọdụ akụkụ akpaokwu bụ ka e nwee ike ịkọwa ha site n'otu agwara ma ọ bụ otu ndokọ ọzọ.
- Agwara ọkaasụsụ bụkwa ihe a na-ekwupụta site na sọọsọ asụsụ.
- Agwara ndị e ji eme nkọwa a na-agbagwoju anya nke ukwuu.
- Usoro nlekwasị anya na aka nka atụtụ a dị obere.
- Anyanwụ (2008) hụtara atụtụ mkpụrụ echiche ndịnokwu dị ka ihe nwere ike ịkọwa sọọsọ agwara amụmechiche ndị a haziri ahazi nke ọma. Nke ka nke, ndị ahụ agwara amụmechiche ha nwere ndịiche ndịnabụọ.
- Nsogbu atụtụ a na-eduba na nsogbu ọzọ n'ihi na ọ na-eji okwu ndị dị n'ụdị agwara amụmechiche akọwa ọtụtụ okwu ndị ọzọ n'asụsụ ahụ.
- Ọ na-esite n'ụzọ ezighị ezi ekwupụta na agwara amụmechiche bụ ihe zuru ụwa niile ọnụ.
- Atụtụ mkpụrụ echiche ndịnokwu riri mperi n'iwepụta ezi usoro na-akọwa ọdịmara na ndị e ji atapịa mkpụrụokwu.
- Atụtụ a dara ụkọ n'okere ya n'ihi na ọ bụ sọọsọ mkpụrụokwu ka ọ na-akọwa ọfụma. Ọ naghị enye ezi nkọwa maka ahịrịokwu.

### 2.7.5 Atụtụ Njirime

Na mpaghara a, nwa nchọcha ga-akọwa atụtụ mkpụrụ echiche ndịnokwu maka ntụcha ọrụ a. A hoọrọ atụtụ a n'ihi na ọ dabara adaba ịkọwapụta agwara njikọ akụkụ ahụ na ngwaa. Atụtụ a ga-agbazi ọrụ a ma zipụta ụzọ bụ ịgba a ga-agbaso. Anyanwu (2008) kọwara mkpụrụ echiche ndịnokwu dị ka usoro e si ezipụta echiche okwu n'asụsụ. Ọ bụ usoro na-akọwa uche okwu ma ọ bụ agwara echiche okwu nke mejupụtara okwu ndị ahụ. A na-akọwa mmewere nghọta okwu site n'iwepụta ọpụrụiche ndịnaabụọ ha; ya bụ [+] na [ - ]. Ebe ọ bụla akara ntinye a [+] batara, o gosiri na akara mwepụ [ - ] agaghị abata ebe ahụ n'otu oge.

### 2.7.6 Usoro Ntinye Atụtụ Mkpụrụ Echiche Ndịnokwu n'ọrụ

Saeed (2003) tinyere akpaokwu mmetụta nsinachi n'ọrụ nke na-ezipụta mkpụrụ echiche ndịnokwu dị ka e gosiri ya na mgbada ebe a:

Nwaanyị (NNE) (OKENYE) (MMADỤ)
Agbọghọbịa (NWAANYỊ) (OKENYE) (MMADỤ) (ALỤBEGHỊ DI)
Okorobịa (OKE) (OKENYE) (MMADỤ) (ALỤBEGHỊ NWAANYỊ)

Site n'ịgbaso usoro agwara ndịnabụọ dị n'elu, a ga-ezipụta okwu ndị ahụ dị ka:

Nwaanyị (+NNE) (+OKENYE) (+MMADỤ)
Okorobịa (+OKE) (+OKENYE) (+MMADỤ) (+ALỤBEGHỊ NWAANYỊ)
Agbọghọbịa (+NWAANYỊ) (+OKENYE) (+MMADỤ) (+ALỤBEGHỊ DI)
Nwunye (+NNE) (+OKENYE) (+MMADỤ) (+LỤRỤ DI)

Ka o siladị, a ga-eji ọyọ mkpọaha ndị a nye ọmụma atụ: oke ehi, nne ehi, nwa ehi, nwaanyị, okorobịa, agbọghọbịa, nwoke, McGregor (2009:140) zipụtara usoro ọzọ e nwere ike ịgbaso, dị ka:

| Oke ehi | Nne ehi | Nwa ehi | Nwaanyị |
|---|---|---|---|
| + dịndụ | + dịndụ | + dịndụ | + dịndụ |
| -mmadụ | -mmadụ | -mmadụ | +mmadụ |
| +okenye | +okenye | -okenye | +okenye |
| +oke | -oke | +oke | -oke |

| Okorobịa | Agbọghọbịa | Oche | Nwoke |
|---|---|---|---|
| + dịndụ | + dịndụ | - dịndụ | + dịndụ |
| +mmadụ | +mmadụ | -mmadụ | +mmadụ |
| -okenye | -okenye | -okenye | +okenye |
| +oke | -oke | -oke | +oke |

Oge ụfọdụ, a na-enwe ihe ndabe n'etiti agwara okwu ndị a na-enyocha. N'ụzọ dị otu a, McGregor (2009) tụnyere azụ sị na ọ baghị uru ịkpachi ole na ole ndịmkpa agwara ndị a ga-adị, ebe e nwereriị ike ịhapụ ha na nhazi nkwasị. Saeed (2003) kwenyekwara n'ụdị usoro a, nke mere o jiri kpọọ ya iwu kwunkwufe. Ọ naghị agụnye nkwupụta na usoro a bụ a kwaa a kwụrụ nke na-egosi mmekọrịta dị n'etiti nnyocha mmejupụta ihe. Iwu kwunkwufe na-enye aka ịkpalata usoro nhazi a. A bịa n'ụzọ e si etinye ya n'ọrụ, a ga-agbaso usoro mkpụrụ echiche ndịnokwu nke ọyọ mkpọaha, ọmụma atụ:

| Oke ehi | Nne ehi | Nwa ehi | Nwaanyị |
|---|---|---|---|
| -mmadụ | -mmadụ | -mmadụ | +mmadụ |
| +okenye | +okenye | -okenye | +okenye |
| +oke | -oke | +oke | -oke |

| Okorobịa | Agbọghọbịa | | Nwoke |
|---|---|---|---|
| +mmadụ | +mmadụ | | +mmadụ |
| -okenye | -okenye | | +okenye |
| +oke | -oke | | +oke |

N'ebe a, nwa nchọcha ga-etinye atụtụ mkpụrụ echiche ndịnokwu n'ọrụ iji tụchaa agwara njikọ akụkụ ahụ na ngwaa. A ga-ezipụta etu agwara akụkụ ahụ si ahọrọ ngwaa ndị ha na ya na-agakọrịta; iji zipụta echiche zuru oke n'ụtọasụsụ Igbo.

## 3.0 Usoro Nchọcha

### 3.1 Mkpọlite

Mpaghara a ga-egosipụta usoro nchọcha. Anaekwe (2007) kọwara nchọcha ka ụzọ kwesịrị ntụkwasị obi e ji egbo mkpa. A na-eme nke a site n'ịgbaso ndepụta keusoro a haziri ahazi, chịkọta, tụchaa ma na-atapịa ngwa nchọcha e nwetara.

### 3.2 Ọdịdị Nchọcha

A ga-agbaso usoro nkọwa were tụlee ọrụ a. Ọ bụ ụzọ e si enweta ma ọ bụ ahazi ngwa nchọcha, nke ga-enye aka ịchịkọta ajụjụ nchọcha. Ọ bụ ụzọ pụrụ iche e si edepụtasị ajụjụ nke ebumnuche ya kpọmkwem bụ ka e nweta ngwa nchọcha site n'òtù ọgbọ. Usoro nchọcha a nyere aka ịgba ndị mmadụ ajụjụ ọnụ. Ọ bụkwa usoro ọma nwa nchọcha siri nweta ezigbo ọsịsa banyere ọrụ a. O lebara anya n'ọba akwụkwọ dị iche iche ma nwetakwa akwụkwọ o jiri kwado ihe ụfọdụ ọ depụtara.

### 3.3 Ngwa Ọrụ Nchọcha

Nwa nchọcha jiri ajụjụ ọnụ na nnọrọmeele were nweta ngwa nchọcha a. O sitekwara n'ọba akwụkwọ dị iche iche, ọwa udodo na ederede ndị ọzọ, ọgụgụisi nwa nchọcha dị ka nwaafọ Igbo nyeere ya aka nke ukwuu n'ọrụ a.

## 4.0 Ntụcha Nchọpụta Nchọcha

N'isi nke a, a ga-egosipụta ngwa nchọcha ma tụlee akụkụ ahụ dị iche iche na ngwaa ndị ha nay a na-agakọ. Ọ bụ ebe a ka nwa nchọcha na-eweta ebumnuche nchọcha ya n'otu n'otu iji tụchaa ha wee wepụta nchọpụta nchọcha.

### 4.1 Ntụcha Ịchọpụta Akụkụ Ahụ Mmadụ Dị iche iche Na Ngwaa Ha Họọrọ kpà ágịrị ísí

| kpà | ágịrị ísī |
|---|---|
| + ngwaa | + mmadụ |
| + mkpa | + akụkụ |
| + mmadụ | + agịrị |
| + nnara | + n'isi |

N'ọmụma atụ a, 'kpa' bụ ngwa ọkpụkpụ isi nke mmadụ ji akpụ ibe ya isi (agịrị isi ma ọ bụ ntutu). N'ihi na akụkụ ahụ mmadụ a na-ekwu maka ya bụ agịrị dị n'isi nke agụba nwere ike ma na-akpụ, ha na-agakọ n'ihi na agwara ha makọrọ. Ngwaa a bụ 'kpa' nwere agwara ya na 'isi' na-agakọrịta, n'ihi na e nweghị ike ịsị kpa ire, olu, afọ dg.

**fé ísí/áká/ụ́kwụ́**

| fé | ísí/áká/ụ́kwụ́ |
|---|---|
| + ngwaa | + mkpọaha |
| + mmadụ | ± mmadụ |
| + akụkụ | + akụkụ |
| ± mbasa | + njibi |

N'ọmụma atụ a, ihe mere isi, aka ma ọ bụ ụkwụ jiri kwe ife bụ ha (isi, aka na ụkwụ) nwere njibi. Ihe dị iche ebe a bụ na ihe ọ bụla nwere njibi, ga-enwe ike n'efegharị. E nweghị ike ịsị fe eze, fe afọ n'ihi na ha enweghị njibi.

**óbì gbáwá**

| óbì | gbáwá |
|---|---|
| + mkpọaha | + ngwaa |
| + mmadụ | + mmadụ |
| + akụkụ | + iwe |
| + ndịnime | + nnara |

Akụkụ ahụ a bụ obi na ngwaa a bụ 'gbawa' na-agakọ n'ihi na obi nwere ike ịgharịpụ ma ọ bụ koropụ site na nrụjọ ya. Obi mgbawa na-egosi ọnọdụ iwe na ọnụma nke mmadụ na-enweta site na mmekọrịta mmadụ na ibe ya. Obi mgbawa nwekwara ike butere mmadụ ọbara mgbali elu ma ọ bụ ọbara mgbada ala, ahụ mkpọnwụ ma ọ bụ ọnwụ. Mkpụrụ obi bụ akụkụ ahụ dị n'ime ahụ mmadụ, nke a na-anaghi ahụ anya. Obi bụ akpa, sọ onye nya ya ma ihe ọ na-agabiga. E nweghị ike ịsị ihu mgbawa ma ọ bụ ọbara mgbawa. Nke a adabaghi n'ụtọasụsụ Igbo.

**áfọ́ rụ́**

| áfọ́ | rụ́ |
|---|---|
| + mkpọaha | + ngwaa |
| + mmadụ | + mmadụ |
| + akụkụ | + mgbu |
| + ime ahụ | + ndịnime |
| | + ọrịa |

N'ọmụma atụ a, ihe butere ngakọrịta àfọ́ na àrụ́ bụ na ha bụ akụkụ ahụ. Ngwaa –'rụ' bụ mwụgharị na mgbu ime afọ. Nke a bụ ọrịa. Mwụgharị pụtara na akụkụ ahụ ahụ dị ogologo ma gwọkọrọ agwọkọrọ. N'ebe a, afọ na-anọchi anya mgbịrị afọ.

**Ólú gụ̀**

| ólú | gụ̀ |
|---|---|
| + mkpọaha | + ngwaa |
| + mmadụ | + mmadụ |
| + akụkụ | + mmebi |
| + elu ahụ | + ọrịa |
| + njibi | + nnara |

N'ọmụma atụ a, olu na ngwaa 'gụ' na-agakọrịta n'ihi na olu nwere ike ịda ghere ghere ma ọ bụ gụchi agụchi. Olu bụ mkpọaha, akụkụ ahụ jikọrọ isi na obi. Olu mmadụ nwere ike ịgụ oge onye tiri nnukwu mkpu, bee nnukwu akwa ma ọ bụ kwuo oke okwu. Olu bụ akụkụ ahụ dị n'elu ahụ mmadụ, o nwekwara njibi, njibi a kpatara o ji na-ebugharị isi ebugharị.

**ara da**

| ara | da |
|---|---|
| + mkpọaha | + ngwaa |
| + mmadụ | + mmadụ |
| + akụkụ | + nnara |
| + elu ahụ | ± ibu |

Ara bụ mkpọaha, akụkụ ahụ mmadụ dị n'elu ahụ. Ebe a, ara na ngwaa 'da' na-agakọ n'ihi na ara nwere ike ịkwụtị akwụtị ma ọ bụ huo ehu, nke ga-eme ka ọ daa. Ara na-akwụ ọtọ oge nwaanyị dị n'agbọghọbịa. Otu ihe ma ọ bụ nke ọzọ dị ka inye nwa ara nwere ike ime ka ọ daa. Ọ bụ usoro a mere ka okwu abụọ ndị a na-agakọ.

### 4.2 Ntụcha Ịchọpụta Ihe Akụkụ Ahụ Mmadụ Na-eme Na ihe A Na-eme Akụkụ Ahụ Mmadụ

#### 4.2.1 Ihe a na-eme akụkụ ahụ

**wá ótùbò**

| wá | ótùbò |
|---|---|
| + ngwaa | + mkpọaha |
| + mmadụ | + mmadụ |
| + akụkụ | + akụkụ |
| + elu ahụ | + elu ahụ |
| + agụba | + nnara |
| + nnara | |

'Wa' bụ ngwaa ya na akụkụ ahụ bụ otubo na-agakọ. Otubo bụ akụkụ dị n'etiti oroghoro afọ mmadụ. A na-awa ya awa oge o nwere otu nsogbu ma ọ bụ ọzọ. A na-eji agụba awa otubo mmadụ. 'Wá 'na' ótùbò' nwekọrọ agwara ndị a: + mmadụ, akụkụ + elu ahụ, + nnara ọnụ. Ihe ndị a mere ha ji na-agakọ

**kpọ́ ékwò ńkụ́**

| kpọ́ | ékwò ńkụ́ |
|---|---|
| + ngwaa | +mkpọaha |
| + mmadụ | +mmadụ |
| + akụkụ | + akụkụ |
| + si ike | + elu ahụ |
| + nnara | + si ike |

Ekwo bụ akụkụ ahụ dị n'elu azụ mmadụ, nke nwere ike ma kwechiri. Ngwaa a bụ 'kpọ' na ekwo na-agakọ. 'Kpọ' ekwo nkụ gosiri ime isi ike ma ọ bụ mmadụ anụghi ndụmọdụ e nyere ya. E nweghi ike ịsị kpọ ire, eze ma ọnụ nkụ; nke a gosiri na kpọ ekwo nkụ gosiri na ekwo yiri nkụ ma nwee ike ịkpọ nkụ. Agwara 'kpọ' na 'ekwo' na-agakọrịta.

**gbá ụ́kwụ́**

| gbá | ụ́kwụ́ |
|---|---|
| + ngwaa | + mkpọaha |
| + mmadụ | + mmadụ |
| + akụkụ | + akụkụ |
| + mmegharị | + elu ahụ |
| + nnara | + si ike |
| | + nnara |

Ngwaa a bụ 'gbá' gosiri mmegharị ụkwụ n'ụzọ dị iche iche. O nwere ike bụrụ ụzọ ịchọ mmadụ okwu dị ka ịgba ụkwụ, nwekwa ike bụrụ otu ụzọ nzikọrịta ozi ma ọ bụ ịgwurịta egwu. Ngwaa ndị a bụ 'gbá' na gbà ụkwụ zipụtara ọdịdị ahụ mmadụ. Ịma atụ, n'egwuregwu ịkụ bọọlụ, onye oche goolu na-agba ụkwụ ya na nke ukwuu iji gbochie bọọlụ ịgafe n'ogige goolu ha.

**gbú íkpèré ụ́kwụ̄**

| gbú | íkpèré ụ́kwụ̄ |
|---|---|
| + ngwaa | + mkpọaha |
| + mmadụ | + mmadụ |
| + akụkụ | + akụkụ |
| + njibi | + njibi |
| + nnara | + elu ahụ |

'Gbu' bụ ngwaa ya na ikpere ụkwụ na-agakọrịta. Ikpere ụkwụ bụ akụkụ ahụ nwere njibi nke na-emegharị emegharị. Njibi a na-enye aka igbu ya n'ala oge ọ bụla mmadụ sekpu ala, dị ka ikpe ekpere, ịrịọ arịrịọ, inye nsọpụrụ n'ụzọ dị iche iche. Ọ bụkwa akụkụ dị n'elu ahụ. Gbu ikpere na-egosi ibido ya n'ihe tụmadị n'arịrịọ.

**chá ágịrị ísí**

| chá | ágịrị ísī |
|---|---|
| + ngwaa | + mmadụ |
| + mkpa | + akụkụ |
| + mmadụ | + agịrị |
| + nnara | + n'isi |

N'ebe a, 'cha' bụ otu ụzọ e si achọ isi mma. A na-achatu isi oge o ruru eru iji mee ka mmadụ dị mma ile anya. Ọ bụkwa ngwa ọkpụkụ isi dị ka mkpa na agụba ka e ji acha isi. Ngwaa a bụ 'cha' na isi nwere agwara ndị na-agakọrịta. E nweghị ike sị cha eze, imi, ọnụ dg.

### 4.2.2 Ihe akụkụ ahụ na-eme

N'isi ndabe a, a ga-edepụtacha ihe niile akụkụ ahụ mmadụ na-eme na onwe ha na-enweghị mmanye ọ bụla.

**ísí gbáká**

| ísí | gbáká |
|---|---|
| + mkpọaha | +ngwaa |
| + mmadụ | +mmadụ |
| + akụkụ | + akụkụ |
| + elu/isi ahụ | +mmebi |
| | +isi/elu ahụ |

Akụkụ ahụ bụ isi na ngwaa a bụ gbaka na-agakọ. Isi na-agbaka mmadụ mgbe ọnọdụ isi mebiri emebi. Nke a pụtara isi anaghị arụzi ọrụ o kwesịrị ịrụ, nke metụtara akụkụ ahụ mmadụ niile. E nweghị ike ịsị anya gbaka, imi ma ọ bụ ọnụ gbakaa. Otu o saladị, nsogbu a kpatara nghasa ezi agwa nke mgbaka isi butere.

**ísí wá**

| ísí | wá |
|---|---|
| + mkpọaha | + ngwaa |
| + mmadụ | + mmadụ |
| + akụkụ | + mgbu |
| + elu/isi ahụ | + ndịnime |
| | + ọrịa |

N'ọmụma atụ a, 'wa' bụ ọnọdụ enweghị ezigbo ahụ ike ma ọ bụ isi igbu mgbu. Ọ bụ ọrịa nke na-enye mmadụ nsogbu. Ngwaa a bụ 'wa' na akụkụ ahụ bụ 'isi' na-agakọrịta.

**óbì kụ́**

| óbì | kụ́ |
|---|---|
| + mkpọaha | + ngwaa |
| + mmadụ | + mmadụ |
| + akụkụ | + mgbu |
| + ndịnime | + ndịnime |
| | + ọrịa |
| | + mmegharị |

Obi bụ akụkụ ahụ mmadụ dị n'ime ahụ. Ngwaa bụ 'kụ' gosiri otiti mkpụrụ obi ma ọ bụ ọrịa nke ime ahụ mmadụ. 'Kụ' na-ezipụta etu obi si afụli elu ma na-afụtukwa nke na-ebute oke ahụ mgbu. Ọ bụrụ na e lebaraghi onye nwere obi ọkụkụ anya nke ọma, ụdị ọrịa ọjọọ a nwere ike ịwepụ ndụ ya.

**obi mapụ**

| obi | mapụ |
|---|---|
| + mkpọaha | + ngwaa |
| + mmadụ | + mmadụ |
| + ndịnime | + ụjọ/egwu |
| + mmegharị | + nnara |
| + ọrịa | |

N'ọmụma atụ a, obi bụ akụkụ ahụ dị oke mkpa na ndụ mmadụ. N'ezie, ọ bụ ya ji ndụ mmadụ. Ngwaa a bụ 'mapụ' ma ọ bụ fepụ na obi na-agakọrịta ọnụ. Mkpụrụ obi na-eti eti oge ihe ike, ụjọ ma ọ bụ ọnọdụ ọjọọ dakwasịrị mmadụ, nke a na-akpata obi mmapụ ma ọ bụ mfepụ. Ọ bụrụ na a kasịghi onye ahụ obi ma ọ bụ nye ya ndụmọdụ, o nwere ike ikoropụ, nwụọ n'oge erughi eru ma ọ bụ nwee isi mgbaka.

**ụ́kwụ̄ jī**

| ụ́kwụ̄ | jī |
|---|---|
| + mkpọaha | + ngwaa |
| + mmadụ | + mmadụ |
| + akụkụ | + njibi |
| + njibi | + elu ahụ |
| + elu ahụ | + mmegharị |

Akụkụ ahụ a bụ ụkwụ na ngwaa a bụ 'ji' na-agakọ. Ihe nwere ike iji mmadụ bụ ụkwụ na aka. Akụkụ ahụ dị ka ire, afọ, eze dg. enweghi ike iji mmadụ. Ụkwụ na-eji mmadụ n'ihi na o nwere njibi ma bụrụkwa akụkụ dị n'elu ahụ. A na-eji ụkwụ agagharị agagharị. O nwekwara ike ịgbaji agbaji ma ọ bụ chichapụ echichapụ nke ga-ebutere onye ahụ ịbụ ngwụrọ.

## 5.0 Nchịkọta Nchọpụta Nchọcha Na Mmechi

### 5.1 Nchọpụta Nchọcha

N'ebe a, nwa nchọcha gbara mbọ n'ihinye ụtọasụsụ Igbo aja n'ukwu n'ihi nchọpụta dịgasị iche iche e mere n'ọrụ a. Nchọpụta n'ebumnuuche nke mbụ na-egosi na akụkụ ahụ ọ bụla nwere mkpụrụ echiche ga-adịrịrị na ya tupu a kọwata ya.

## 5.2 Nchọpụta n'ebumnuche nke abụọ

Nke a zipụtara na ọ bụ mkpụrụ echiche ndị a mejupụtara echiche akụkụ ahụ mmadụ. Etu a kwa ka o si emetụta akụkụ ngwaa. Akụkụ ahụ mmadụ na ngwaa na-agakọrịta oge ha nwekọrọ agwara ọnụ.

## 5.3 Mmechi

Nchọcha a abịala n'isi njedebe ya. Ọrụ a gbadoro ụkwụ n'Agwara Njikọ Akụkụ Ahụ na Ngwaa n'Igbo. E nwere agwara akụkụ ahụ na ngwaa nwekọrọ ọnụ nke mere ha ji wee na-agakọrịta n'asụsụ ma ọ bụ n'ụtọasụsụ Igbo. Nwa nchọcha gbasoro atụtụ mkpụrụ echiche ndịnokwu iji wee tụchaa ọrụ a. Atụtụ a nyere aka iwepụtacha mkpụrụ echiche dị n'akụkụ ahụ na ngwaa n'otu n'otu, nke ga-eme ka nghọta ma ọ bụ echiche okwu zuo oke. Nchọcha a zipụtakwara ihe a na-eme akụkụ ahụ na ihe akụkụ ahụ na-eme na-enweghị mmanye ọ bụla. Ọrụ a ga-abara ọtụtụ ndị mmadụ uru kachasị ndị nkụzi, ụmụ akwụkwọ, ndị odee, dg.

## Edensibịa


Anaekwe, M.C. (Ed.) (2007). *Basic research method and statistics in education and social science.* Onitsha: Sofie publicity and printry.

Anagbogu, P.N., Mbah, B.M. & Eme, C.A. (2010). *Introduction to linguistics.* Awka: Amaka dreams publishers.

Anyanwu, O. (2008). *Essentials of semantics*. Na B.M. Mbah na E.E. Mbah (ohz). *History of linguistics and communication: A festschrift in honour of Professor P.A. Nwachukwu*. ihu 188-189. Nsukka: Paschal communications.

Crystal, D. (1997). *The Cambridge encyclopedia of language, (2nd ed)* Cambridge: Cambridge University press.

Dimebo, I.N. & Nna, I.F. (2019). "Akụkụ ahụ dị ka mbụrụ nsinuche n'asụsụ Igbo. Odezuruigbo Journal Vol. 3. No. 1.

Ekman, P. & Friesen, W. (1996). The repertoire of non-verbal behavour categories, origins, usage and coding. Sernotica: MIT.

Emenanjo, E.N. (1991). *Nchịkọta asụsụ na ụtọasụsụ Igbo izugbe.* Lagos: Longman publishers.

Emenanjo, E.N. (2006). *Language and communication: Myths, facts and features*. Aba: E. frontier publishers.

Ezeụmụdo, R.A. (1985). *Nchịkọta ọmụmụ asụsụ Igbo.* Onitsha: Kawuriz & Manilas

Ifeagwazi, P.A. (2016). "Componential analysis". Na B.M. Mbah (ọhz). *Theories of linguistics.* Nsukka: University of Nigeria press.

Kenechukwu, S.A. (2012). The place of non-verbal aspects of interpersonal communication, in human relations. Na J.A. Aliede (Ọhz.). *Today's readings in mass communication, issues, insights and perspectives*. Ihu 348-353. Lagos: National open University of Nigeria press.

McGregor, W.B. (2009). *Linguistics: An introduction.* New York: Continuum international publishing.

Mgbemena, A.U. (2009). *Ntọala usoroasụsụ Igbo.* Obosi: Pacific publishers.

Mgbemena, A.U. (2009). *Ntọala usoroasụsụ Igbo.* Obosi: Pacific publishers.

Ndimele, O.M. (1999). *Semantics and the frontiers of communication.* Port Harcourt: University of Port Harcourt press.

Saeed, J.I. (2003). *Semantics (2nd ed)* Oxford: Blackwell publishing.

Ukozor, N.T. (2012). Understanding the dynamics of persuasion. Na J.A. Aliede (Ọhz). *Today's readings in mass communication, issues, insights and perspectives*. Ihu 140-147 Lagos: National Open University of Nigeria press.

Ume, I.A.O. Ugoji, J.U. & Dike, G.A. (1989). *Ụmị nkọwa ụtọasụsụ Igbo.* Onitsha: Kawuriz na manilas publishers.